# lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Ezi Eze, Ndị Eze ọjọọ

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Ọ bụụrụ Manase ụbọchị mwute.  Nna ya bu eze Hezekiah anwuola.  Ma Manase dị naanị afọ iri na abụọ, bụ́ eze ọhụrụ na-achị ndị Chineke na Juda.  Ọ maghị mgbe ahụ, ma Manase ga-abụ eze ruo afọ iri ise na ise.  Enyemaka Chineke dị Manase mkpa maka  ịbụ ezigbo eze.



Ma Manase leghaara Chineke anya, mekwa ihe ọjọọ. Manase wughachiri ebe ịchụ-àjà maka ikpere arụsị. O mekwara ihe oyiyi a pịrị apị, tinye ya n’ụlọ nsọ Chineke. Chineke ekwuwori site n'aka Moses sị, “Unu emela ihe oyiyi ọbụla apịrị apị. Unu akpọkwala isiala nye ha maọbụ fee ha ofufe.”



Manase mere mgbaasị na ịgba afa. O duuru ndị mmadụ ahụ niile pụọ n’ebe Chineke nọ.  Ọbụna eze na-akpọ ụmụ ya ndị ikom ọkụ ka ha bụrụ ihe e ji chụọrọ arụsị àjà.  Nnupụ-isi Manase kpasuru Chineke iwe nke ukwuu.



Mgbe ndị Ya nupụrụ isi, Chineke kwere ka a taa ha ahụhụ.  Otú ahụ ka ọ dị Manase na ndị ọ na-achị. Jehova wee mee ka usu-ndị-agha Asiria bịakwasị ha. E wee kere Manase n'agbụ gaa na Babilọn.





N’ahụhụ na Babilọn, Manase wee rịọ Jehova, bụ Chineke ya; O wee ruru ala nke ukwu n'iru Chineke nke nna ya hà, kpeere Ya. Ọ naghịzi ekpere arụsị nwụrụ anwụ ekpere! Ma, Chineke dị ndụ ọ ga-aza Manase n’ajọ omume ya niile ahụ?

Ee!  Chineke nụrụ ekpere eze ahụ wee kpọghachi ya na Jerusalem, mee ka ọ laghachi n’oche-eze ya, laghachikwa n’ịbụ eze ndị mmadụ ahụ. Manase wee mara na Jehova bụ Chineke.



Eze Manase bụ onye ọhụrụ.  O wepụrụ ihe-oyiyi ahụ n’ụlọ nsọ Chineke, kpokọtakwa chi ala ọzọ niile ahụ na Jerusalem.  Ọ tụfuru ha niile.  O wee dozie ebe-ichụ-àjà Jehova, surekwa àjà-ekele. O wee nye ndị ya iwu ka ha fee Jehova bụ́ Chineke Izrel.  Lee ka mgbanwe nke Manase siri dị!



Ma mgbe Manase nwụrụ, nwa ya nwoke bụ́ Amọn laghachiri n’ofufe arụsị.  Ma o wedaghị onwe ya n'ala n'iru Jehova dịka Manase.  Ka Amọn na-eme mmehie karịa, ndị odibo ya mechara gbuo ya n’ụlọ nke ya.  Ọ chịrị naanị afọ abụọ.



Eze ọzọ na-esote bụ Josaịa di naanị afọ asatọ.  Ọ chịrị afọ iri atọ na otu ma mee ihe ziri ezi n'anya Chineke.  O bibiri ofufe ụgha niile na chi ụgha niile. N’ezie, Josaịa gweriri arụsị niile ka ọ bụrụ ntụ.



Eze Josaịa mekwara ka ụlọ-ukwu Chineke dị ọcha, mekwa ka ọ dị ike. Otu onye nchụ-àjà chọtara akwụkwọ iwu nke Jehova nke Mosis nyere n’ime ihe-mkpofu ahụ.





Mgbe eze nụrụ okwu niile nke Iwu ahụ, ọ dọwara uwe ya na mwute.  Josaịa maara otú ndị nna nna ya si mee ihe ọjọọ n’ihi inupụrụ iwu Chineke isi.

Otu onye-amụma nwaanyị aha ya bụ Hulda ziri Josaịa ozi Chineke. “Nke a bụ ihe Jehova kwuru, ‘Lee, m ga-eme ka ọbụbụ ọnụ niile dị n’akwụkwọ ahụ bịakwasị ebe a n’ihi na ha ahapụwo m.’” Ma n’ihi na Josaịa dị umeala n’obi ma na-erubekwa isi, nke a agaghị eme ruo mgbe ọ nwụsịrị.



Chineke nyeere Josaịa aka iduru ndị ya laghachikwute Jehova.  Otu ụbọchị, mgbe Josaịa na-edu ndị-agha ya n’agha, otu onye iro ha merụrụ ya ahụ́ nke ukwuu. Ndị na-ejere ya ozi ji ụgbọ ịnyịnya buru ya laa Jerusalem bụ́ ebe ọ nwụrụ.  Ndị ya niile ruru újú, na-abụkwa abụ dị iche iche banyere ezi eze Josaịa.





N'oge na-adịghị anya,
ala-eze ahụ gabigara.
Ma otu ụbọchị, otu eze
ga-achị Izrel ọzọ.
Aha ya bu EZE NKE
NDỊ-EZE, na ONYE-NWE
NKE NDỊ NWENU. Mgbe
Jizọs Kraịst bịara na
nke mbụ, a jụrụ ma
kpọgidekwa ya n'obe.
Mgbe Jizọs Kraịst
ga-abịa ọzọ, ọ bụghị
naanị na ọ ga-abụ
eze Izrel, kama ọ
ga-achị ụwa dum.

Ezi Eze, Ndị Eze ọjọọ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ihe E Mere Isi nke iri atọ na atọ rue
nke iri atọ na isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.